# NRARAARAARA JISỌS NYE NA IKPE NÁEZIGHỊEZI

### Matiu 26:47-68; 27:1, 2, 11-26.

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 431

### Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Eledara ya anya, ọ bu kwa onye madu rara aka; onye nwere ọtutu ihe-ngbu na onye mara ọria nke-ọma" (Aisaia 53:3)**

## Ewere Jisọs Dị ka Onye mkpọrọ

Kraist meriri ọ̀gụ̀ nke imemmụọ site n'ikpere Ya na ekpere nke O kpere nye Nna Ya, ụdị ekpere nke ọsụsọ pụtara Ya naarụ̀, dịka ékè ọkpụrụkpụ ọbara. Ma ugbu a O biliwo, wee jiri nwayọ jee ya na ndị náesoụzọ Ya izute ndịiro. Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya na onye na arara Ya nye nọ nso; mgbe ọ kpụ okwu n'ọnụ óké igwe ndịagha Rom na ndị odeakwụkwọ náemebiiwu na ndị Farisi wee bịa, chiri mmaagha na osisi. Judas bụ́ onyeisi nke igwe mmadụ ahụ wee bịa ngwangwa isutu Jisọs ọnụ. Agaechewori na ọ gaejupụta n'ihere n'ihi agwa adịghị ike ya nke bụ́ na ọ gaghị achọwori ka onye náesoụzọ ọ bụla hụ́ ya anya, ma nke a bụ akụkụ nke izù ya na ndị nchụaja gbakọrọ.

Jisọs naadịwanye obi ebere na nwayọ n'etiti ụmụmmadụ mgbe niile. Mgbe niile ka Ọ naejègharị naeme mma. Ma ugbu a ndịiro Ya bịara n'ọchịchịrị ijide Ya, dịka agaasị na Ọ bụ onyeori. Jisọs etigwaraghị ha ihe; ma O nwere otù ihe nke dị ike n'ebe ijide Ya nọ. Mgbe ọ bụla ndị isi nchụ̀àjà zipụrụ ndị mmadụ ka ha jide Jisọs, mgbe ọ bụla ha laghachiri náejighị Ya ihe ngọpụ ha bụ, "Ọ digh mgbe ọ bula madu kwuru okwu di otú a" (Jọn 7:46). Okwu niile nkeọnụ Ya achụghachiwo ndị gaabụ ndị njide Ya azụ. Ọbụná ugbu a nime ogige mgbe enwere óké igwè ndị na emebiiwu, ha laghachiriazụ wee daa n'ala mgbe Jisọs gwara ha na Ya OnweYa bụ onye ha naachọ. Ọ karịrị mmadụ: Ọ bụ Ọkpara Chineke, ma nwere kwa ike niile nke dị n'Eluigwe na ụwa ọ bụrụ na Ọ chọrọ iji ya. Ọ gaghị ekwewọrị ka ndị ọjọọ a kee Ya agbụ. Chineke gaezitewọrị legion iri na abụọ nime ndịmmụọozi (nke bụ́ iri puku asaa maọbụ karịa) nke otù nime ha ga enwewori ike ime ka ndịiro niile nke Kraist laa n'iyi n'otù mmetụaka. Ma nke ahụ abụghị uche Chineke. "Oge hour nke onye ngbaputa ahu abiawo," a naaga kwa igbu Ya dịka atụrụ nke ngabiga.

## Adịghị ike Nke mmadụ náenweghị Chineke

Were ndịmmụọozi nke Jisọs gaakpọwọrị tụnyere mmaagha ntà nke Pita. Ihe niile Pita pụrụ ime bụ igbupu ntị orù. Otú ahụ ka anyị si bụrụ ndị náadịghịike n'iji ya tụnyere ịdịike nke Chineke anyị. Otú ọ dị, ọ bụrụ na ọ bụ uche Chineke ka ndị náesoụzọ napụta Onyeòzízí ha, otù onye gaemewọrị óké ihe. "Ọ buru na Chineke diri ayi, ònye nēmegide ayi?" (Ndi Rom 8:31); ọzọ "Otù nwoke nime unu nāchu nnù ndikom abua na ọgu iri: n'ihi na JEHOVA, bú Chineke-unu Ya onwe-ya bu onye nāluru nun ọ̀gù" (Joshua 23:10). Ọ bụrụ na ọ bụ uche Chineke ka Kraist gbanarị, óké igwè ndịagha bụ́ ndị ji mmaagha na osisi gaanọwọrị náenweghị enyem aka.

Jisọs kwere ka ndịagha duru Ya jee rue n'ụlọ ikpé; ndị niile náeso ụzọ Ya rapụrụ Ya gbalaga. Jisọs, Onye mere ka àjà ahụ kachasị nwee isi -- O nyere ndụ Ya maka ndịiro Ya -- Ọ dịghị ka agaasị na O nwere otù enyi n'oge hour nke óké mkpà Ya. Ọ̀ bụ anyị ahụghị Onye nzọpụta anyị n'anya maka ụgwọ ahụ nke Ọ kwụrụ?

## Ndị Àmà Ụgha

Na mbụ, e duru Jisọs jee rue ụlọ onyeisi nchụ̀àjà. Akpọrọ ndị àmà ka ha gbaa àmà megide Jisọs, ma ha achọtaghị, n'ihi na O nweghị ihe ọjọọ ọ bụla O mere. Ma emesịa ndị àmà ụgha abụọ bịara guzobe onweha, ma o nweghị mgbe ọ bụla ha naekwekọrịta n'okwu ụgha ha kwuru. Ekwesịghị ịgụnye ihe ịgbaàmà ha, ma ndị Ju were iwe n'ebe ọ dị ukwu ha wee mee nnọọ dịka agaasị na ọ bụ iwu. Otù nime ndị àmà kwuru na Jisọs sịrị, "Mu onwem gākwatu ulo nsọ a nke ejiri aka me, n'ubọchi atọ M'gēwu kwa ulo ọzọ nke anējigh aka me" (Mak 14:58). Ma nke ahụ abụghị ihe Jisọs kwuru. Okwu Ya niile bụ, "Kwatunu ulo nsọ a, n'ubọchi atọ M'gēweli kwa ya elu" (Jọn 2:19). Ọ naekwu banyere arụ nke

onweya, náasị na otù onye gaakwatu ya, ma Ya Onweya gaenwe ike iwuli ya ọzọ. O nweghị ihe O kwuru banyere owuwu ụlọ.

Ọzọ, onyeisi nchụàjà gwara Jisọs ka Ọ gbaàmà megide OnweYa. Nke ahụ kwa megidere iwu ndị Sanhedrin, ụlọikpé ukwu nke ọchịchị ndị Ju. Ọbụná ma ọ bụrụ na mmadụ arịọarịrịọ dịka onye ikpé mara, adịghị anabata ọgbụgbaàmà ya megide onweya. Agaama ya ikpé ọnwụ náánị ná ndakọrịta nke oluàmà mmadụ abụọ.

Ndị ahụ bụsara Jisọs ọnụmmiri n'iru; ha pịara ya ụtarị, ha wee gwa Ya okwu n'ụzọ náenweghị nsọpụrụ maọlị. ihe ndịa niile megidere iwu niile nke ndị Ju. Onye mkpọrọ ọ bụla kwesịrị ka ewere ya dịka onyeikpé náamaghị tupu rue mgbe anwapụtasịrị ya dịka onyeikpé mara; ma iwe nke ndịa mere ka ha chéfue usòrò iwu niile nke omume ha.

Iwe were onyeisi nchụàjà nke ukwuu na mkwupụta nke Jisọs na ọ dọwara uwe ya, niile, o wee chọsieike na Jisọs gaanwụ. Ná arụịghụka, ndị Ju ekpebiworị nke ahụ tupu ewee malite ikpé ahụ. Ikpé ahụ bụ nnọọ náánị ka ewee mezue iwu na ime ka ndị mmadụ ghara ịjụajụjụ banyere ogbugbu ọkụọkụ dị otú ahụ.

**Ngọnarị Nke Pita**

Ò lee ebe Pita nọ mgbe Onyenzọpụta Ya naagbiga mweda n'ala niile ndịa? O soro n'ebe dị anya ka ọ hụ ihe gaeme, wee nọ kwa n'ọnọdụ jupụtara n'ihe izendụ. Na mbụ, ọ rapụwo ichénchè na ikpeekpere, wee so kwa Jisọs n'azụ site n'ebe dị anya. Ndị ahụ bụ nzọukwu abụọ nke anyị niile gaelezianya nkeọma. Dịka anyị rapụrụ ekpere na ịgụ Okwu Chineke **mmekọrịta** nke anyị na Onyenweanyị -- **oghere dị ukwu n'abịa n'etiti anyị** na Onyenzọpụta; ma ọ bụrụ na anyị anọgide n'ụzọ dị otú ahụ náakpachapụghị anya, anyị gaagọnarị Onye ahụ nke gbapụtara mkpụrụ obi anyị.

Mgbe ọnwụnwa bịkwutere Pita o nweghị ike nke o ji eguzo. Náánị otù nwaagbọghọ boro ya ebubo na ọ bụ onye náesoụzọ Jisọs, o wee gọnarị ya. Nke a bụ Pita onye nyaraisi na ọ gaanwụ n'ihi Jisọs. Enweghị enyemaka ra añaa ka anyị naanọ n'ike nke onwe anyị! N'oge náadịghịanya ndịọzọ matakwara Pita, o wee gọọ na ọ mataghị onye Jisọs bụ. Emesia o wee wee iwé nke ukwu na o duru ha ikwù.

**Ákwá Nke Ókéọkụkụ**

Na mberede, ókéọkụkụ kwara ákwá eleghịanya dakarịa egbe eluigwe n'ụdà na ntị Pita. Gịnị mere nke ahụ ji mee ka ọ ma jijiji? N'ihi na Jisọs adọwo ya rịị akanántị na mgbe ókéọkụkụ ákwá ákwághị ákwá Pita gaagọnarị Ya ugbò atọ. Jisọs nụkwara ákwá ókéọkụkụ ahụ, na Ọ tugharịrị anya nwute Ya na ncherịta iru onye ịnụọkụ ma onye náadịghịike nke náesoụzọ Ya. Lee nwute dị añaa ka Pita gaenwewori! O wee ghọta na Onyenweanyị ziriezi n'ebubo Ya niile megide ya; o wee pụọ kwa ákwá dị ilu nkeukwuu.

Ma olileanya dịrị Pita O chègharịrị. Ọ bụghị ịdị ukwu nke mmehie ha gaegbochi ndị mmehie ịbà n'Eluigwe, maọbụ ọjụjụ nke ha jụrụ ichègharị. Pita chègharịrị ewe gbanwe ya, emesia o wee bụrụ ogidi nime ụlọnzukọ, wee náagbá ndịozi ọzọ ume. N'ụbọchị Pentikọst, mgbe anatasịrị ike nke Mmụọ Nsọ, O wee kwusaa okwu Chukwu dị ebube nke mere na azọpụtara puku mmadụ atọ n'otù ụbọchị. Mgbe ọtụtụ arọ nke ikwesị ntụkwasịobi n'ọlụ gasịrị, ọ hụrụ ahụhụ n'ihi Jisọs nke ọ gọnarịworo otù mgbe.

**Ikpé Emere ka Ọdị mkpụmkpụ**

Ekpebiworị ikpé n'ụlọ Kaiafas, n'isi ụtụtụ ewe kwekọrịta n'otù mkpebi na Jisọs kwesịrị nnọọ ọnwụ. Site n'iwu ndị Ju iké dị otú ahụ gānaagaworị n'iru rue ihe dịka abalị atọ; n'ụbọchị mbụ ha gaeru ọ̀tụ̀tụ̀ nke ime mkpebi n'ụbọchị nke abụọ ka ha gaeme ntule, na ihe ntà nke ndị ọkàikpé ahụ gaeme bú ndị gaatụgharị uche n'ikpé ahụ; na onye ọka ikpe emere ntuliaka megide onye anaekpuchite, o nwere ike ịgbanwe mkpebi ya; ma ọ bụrụ na ọtụliri aka "na ikpe amaghị ya" n'oge mbụ, ọ gaghịenweike ịgbanwe. N'ụzọ dị otú a enyere onye ọ bụla oghere nke iji si ya lawa. Ma ikpé nke Jisọs adịghị otú ahụ; ejijri nnọọ ọsọsọ mee ya na ntakịrị hour nime abalị ahụ.

**Onweghị Ihe Ịtaụta N'arụ Jisọs**

Ndị Ju nọ n'okpuru ọchịchị nke ndị Rom, ya mere, anaewetara ndị Rom ikpé niile ọ bụla nke metụtara ọmụmaikpé ọnwụ ka ha kpee. Otú a, igwe mmadụ ahụ iwe naewé duru onyemkpọrọ ha jeé rue n'ụlọikpé ukwu nke Pailet. Mgbe Pailet na Jisọs kwusịrị okwu na nwa mgbe ntà ọ sị, "Ahughm ihe kwesiri ahuhu-nmehie n'aru Nwoke a." Nke ahụ amasịghị ndị Ju. Ha chọrọ ka Pailet maa ya ikpéọnwụ dịka okwu ọnụ ha si dị, náanụghị kwa ya ọzọ. Ò nweghị ike ịbụ na Pailet tụkwasịrị okwu ha obi?

**Kraist N'iru Herod**

Mgbe Pailet nụrụ na Jisọs si na Galili, o wee chee na ọ gaarapụ ime mkpebi site n'izigara Ya Herod, bụ onye isi ọchịchị Rom nke ala anaachịachị ná akụkụ obodo ahụ. Obi tọrọ Herod ụtọ nke ukwu ịhụ Jisọs n'ihi na ọ naachọ ịhụ ya anya n'oge dịanya garaaga, n'ihi na ọ nụrụ ihe banyere Ya; o wee náele anya ịhụ́ ihe ịrịbaàmà dị añaa Ọ gaeme. Ma Onyenweanyị adịghị alụọlụ ebube Ya ime ka afọ wee ju onye náajụbiga ajụjụ ókè. Mgbe Jisọs náazaghị ihe ọ bụla n'ebubo niile nke Herod, ndịagha wee mee Ya iheọchị, wee gbokwasị Ya uwe maaaramma nke ukwuu, wee mee ka ha naakpọisi ala nye Ya. Herod achọghị ime mkpebi, o wee zighachị Jisọs jekwuru Pailet.

**Jisọs Maọbụ Barabas**

Na mgbe náadịghịanya nwunye Pailet wee rọọ nrọ ọjọọ, egwù wee tụọ ya na ọ bụrụ na Pailet ámá Jisọs ikpé ọnwụ ókénsogbu gaadakwasị ha. Pailet tụkwara egwù, o wee cheta na ọ bụ omen'ala ịrapụrụ ọra ndị Ju otù onyemkpọrọ kwa arọ náememe nke Ngabiga. Eleghịanya ọ rọọrọ onye o chere na ọ bụ onye dịkarịsịrị njọ, ogbu mmadụ onye tinyeworo egwù nime ụmụmmadụ; o wee nye ndị Ju nrọrọ nke onye a náadị nánjikere mgbe niile imebi iwu maọbụ Jisọs. O chere n'ezie na ha gaarọrọ JIsọs, ma ha tiri mkpu, "wepu Nwoke a, ma rapuru ayi Barabas." Pailet chere na enwereike ikpali obi ebere ha ọ bụrụ na ha pịa Jisọs ụtarị; ma o nwekwara ike ịrapụ Ya ma emesia, ma ha tiri nání mkpu, "kpọgide Ya n'obe". (Ọ bụ kwa ihe megidere iwu ha niile ị pịa mmadụ ụtarị tupu amaa onye ahụ ikpe).

O doro Pailet anya na Jisọs bụ onye ezi omume, ma o nweghị mkwuwaokwu iji wee guzoro ihe ọ maara na ọ dị mma. Ọ tụrụ egwù ndị mmadụ ahụ. O guzo n'iru ha wee kwọ aka ya abụọ iji nwe ike ịgọpụ onweya maka omume adịghị ike nke ọ naeme, ma o nweghịike ịsapụ ikpé ọmụma ya n'iru Chineke.

**Ahụhụ nKe Ndị Ju**

Ndị Ju sịrị, "Ọbara-Ya di ayi n'isi, di kwa n'isi umu ayi." Ọ bụrụ náání na ha nwereike ịmara ihe ha naekwu! Ọ dịghị anya Jisọs nwụsịrị, ewee laa Jerusalem n'iyi, o wee hụ́ ahụhụ dị egwù nke ọtụtụ ịnapụ ihe ruru ha. Dịka Josefọs onye ọ̀mụ̀mụ̀ banyere akụkọ mgbe ochie si kwue, egburu ha ihe ruru nde mmadụ iri na otù (1,100.000), ma dọta kwa puku iri mmadụ iteghete na asaa (97,000) n'agha. Nke ahụ bụ náání mmalite nke iruuju ha niile. Ha ka nọ kwa náahụ́ ahụhụ n'ụbọchị taa n'ihi na ha jụrụ ịmara Mesaia ha mgbe Ọ bịara, wee maa ya ikpé nke enweghị ebere na ọnwụ ihere nke obe. Mgbe Jisọs gaabịa ọzọ, ndị Ju gaamara ya, ha gaetikwara Ya aka n'obi "bu onye ha mapúworo" (Zekaraia 12:10).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ònye rere Jisọs? N'ego ole?
2. Òlee ebe igwè mmadụ ahụ chọtara Jisọs? N'ụdị oge dị
   añaa nke ụbọchị?
3. Òlee ihe mere ndị náesoụzọ Jisọs mgbe ọ ghọrọ
   onyemkpọrọ?
4. Èkpere Jisọs ikpé ziriezi?
5. Gịnị bụ mkpebi ahụ na ọmụma ikpé ahụ?